# UWEMWỤDA NA UWE NIILE NKE NDỊNCHỤÀJÀ ISRAEL
## Ọpupu 28:1-43; 29:29, 30; 39:1-31
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 97 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Eron gēbu kwa ikpé nke umu Israel n'elu obi-ya n'iru JEHOVA mgbe dum" (Ọpupu 28:30).**

**I Uwe Nsọ nye Onyeisi Nchụàjà Maka Nsọpụrụ na Ịma mma**

1. Uwe niile nke ndị nchụàjà ka emere site n'onyinye afọofufo niile nke ndị ahụ nwere obi amamihe, ndị ji ndụ ha chụọ àjà, Ọpupu 28:1-5; 39:1; 25:2, 4, 7; Ezra 2:68, 69; Nehemaia 7:70-72
2. Ephod na ihe okíké ahụ bụ uwe niile maramma nke gosipụtara amamihe pụrụ iche nke ịkpà ákwà, na nkume ahụ edekwasịrị ihe dịka ihe ibu n'ubu, Ọpupu 28:6-14; 39:2-7; 35:4, 5, 9
3. Ihe igbochiobi nke Ikpé, nke eji ọlaedo, ogho anụnụ, ogho ododo, ogho uhie na ezi ákwà ọcha na nkume iri naabụọ dị óké ọnụahia nke ná anọchita ebo iri naabụọ nke Israel, ka ekekwasịrị n'ephod ahụ, Ọpupu 28:15-29; 39:8-14; Aisaia 49:16
4. Ìhè ahụ na Izuòkè ahụ ka etinyere n'ihe igbochiobi ahụ, Ọpupu 28:30; Levitikọs 8:8; Ọnu-Ọgugu 27:21
5. Uwemwụda ahụ nke Ephod, uwe ogho anụnụ nke achọrọ mma nke ukwuu, ka anaeyi n'okpuru ephod ahụ, Ọpupu 28:31-35; 39:22-26; Levitikọs 8:7-9
6. Ákwà nkụkụisi, maọbụ ákwà iké n'isi, ka eji ezi ákwà ọcha mee, Ọpupu 28:39; 39:28
7. Mbadamba nke Ọlaedo Egburuegbugbu n'elu ya ka eji eriri mma ogho anụnụ nyakudo n'ákwà nkụkụisi ahụ, Ọpupu 28:36-38; 39:30, 31
8. Uweime ahụ nke ezi Ákwà ọcha atụ̀rụ̀agwà na Ihe okíké, ya na Uweúkwú ákwàọcha ka anaeyi n'okpuru uwemwụda ephod ahụ, Ọpupu 28:39, 42; 39:27-29
9. Uwe nsọ ahụ niile gaadịrị onye ọ bụla gaanọchi onyeisi nchụàjà mgbe ọ nwụrụ, Ọpupu 29:30; Ọnụ-ọgugu 20:24-28

**II Uwe nsọ niile Dịrị ndị nchụàjà Náejéozi mgbe Niile, Ịbụ Ihe Nsọpụrụ na Ịmamma**

10. Uweime nke ezi Ákwàọcha, Uweúkwù, Ihe iken'isi na Ihe ike n'úkwù ka emeere ndị nchụàjà náejéozi mgbe niile, Ọpupu 28:4, 40-43; 39:27, 28; Levitikọs 8:13; Ezikiel 44:17-19

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Izuòkè Maramma N'Ihe Niile Banyere Òfùfè Chineke**

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga banyere ndị Israel, anyị hụrụ ka ha si rapụ ebe ha mara ụlọikwuu ha ná mgbada Ugwu Sainai wee malite ijé n'Ala Mkwà ahụ mgbe ha natasịrị Iwu na ụkpụrụ niile nke Chineke. Alụwo ma wulie kwa Ụlọikwuu ahụ, iru Chineke apụtawo kwa ìhè n'ụzọ dị ebube n'ime na n'ezi nke ụlọ nsọ ahụ. Ka emesịrị, ogidi igwe ojii arịgowo, náaga kwa n'iru ha Chineke wee duru ha náaga. Ndị Livai amaliteworị ọlụ ọhụụ ahụ nke enyere ha, ihe niile banyere mkwagharị ha ka ha lezirianya nkeọma wee mee.

Malite n'oge nke ido Ụlọikwuu ahụ nsọ rue n'oge mbuli ijè ha, nke náerughị ọnwa abụọ (were Ọpupu 40:2 tụlee Ọnu-ọgugu 10:11), Chineke ezutewo ha ọtụtụ mgbe ka ha naeche onyinye ha n'iru Ya. Ọ bụ n'oge a ka ndiisi nke Israel wetara Onyenweanyị onyinye ha (Ọnu-ọgugu 7:1-89); emere ememe Ngabiga nke abụọ; onyeisi nchụàjà na ndịnchụàjà naenye aka ka etere manụ, doo kwa nsọ maka ijéozi ha; ewepụtakwara ndị Livai iche nye kwa ha ndụmọdụ banyere ọlụ ha, nye Chineke. Àjà niile nke ụtụtụ na nke anyasị ka achụwokwara, nye kwa Onyenweanyị onyinye niile nke Ụbọchị izuike, weta kwa onyinye niile nke dịrị mmalite nke ọnwa ọhụụ ahụ. N'ụzọ dị otú a, ọ bụ ezie na eguzobeere òfùfè ahụ ọhụụ, ha ahụwo Àjà ahụ Zuruòkè nke gaesi n'Eluigwe bịa ka egosịrị iheàtụ̀ ya ọtụtụ ugbò.

Dịka mmadụ, ihe niile ọlụ nke òfùfè na ihe ha naegosi apụtaghị ìhè n'ozuzuòkè nye ha. Ha sooro àtụ̀mààtụ̀ ahụ n'okwukwe, n'ihi na ọ bụ àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke. Anyị onwe anyị bụ ndị náebi n'oge nke Oziọma naeme kwa otú ahụ ọ bụrụ na anyị bụ ụmụ Chineke. Ha matara na ọlụ ha nye Chineke bụ ịbịakute Ya n'okwukwe ná nrubeisi nye àtụ̀mààtụ̀ ahụ nke O nyere ha ọbụná asị na ha aghọtaghị ya n'ozùzùòkè. Anyị matakwara na nke ahụ bụ eziokwu. N'ihi nke a, ọ bụ ezie na ha amaghị ihe niile nke ụdị na onyinyo ọ bụla naatụ̀ aka, ha nwekwara ike nata urù dị icheiche site n'ọbara nke Kalvarị dịka anyị ndị matara ihe ahụ mere dịka akụkọ ụwa ochie nke bụ ezie.

Eleghịanya ha legidere ụfọdụ ihe dị n'òfùfè ahụ anya ná mgbagwojuanya, dịka anyị naele anya ihe dị icheiche eburu n'amụma nke gaeme n'ọdịn'iru n'ọchịchọ siri ike, naachọ ịmara ụzọ ha gaesi mezue. Náenweghị obi abụọ, ka ha bịarutere n'ọnụụzọ mbata nke Ụlọikwuu ahụ, ịmamma nke akụkụ niile nke ihe ahụ ewuru na ọlụ eji ya náalụ bụ

nke ha naahụ́ naeju ha anya. Eleghịanya ha lereanya n'uwe ahụ dị óké ọnụahịa nke ndị nchụàjà ahụ náefèòfùfè mgbe niile naeyi ná mmasị na n'ịmamma nke uwe nsọ ahụ niile ha nwereike ịhụ́ ngosi pụtara ìhè nke ọtụtụ nime ihe eji mara Kraist ahụ náabịa. Ma ọ bụrụ na uwe niile ahụ mere ka ha chee échìchè banyere mkwà niile ahụ ekwere ha maka Onye gaekwuru ha ọnụ ha, gịnị gaabụworị échìchè ha mgbe ha hụrụ onyeisinchụàjà nke eyikwasịrị ebube na ịmamma nke uwe niile ahụ o ji ejéozi?

**Uwe Niile Nke Onyeisinchụàjà**

Onyeisi nke ọlụ ịchụàjà bụ onyeisi nchụàjà, iji kwa gosi ọnọdụ ọ nọ, Chineke doziri na uwe niile nke ijéozi ahụ gaabụ ihe pụrụ iche n'ebe uwe niile ọzọ dị. Ma nke ahụ abụghị náání ihe kpatara uwe ya ji dị iche n'ebe nke ndị nchụàjà na ejéozi mgbe niile dị. Anyị ekwuwo na ịmamma nke uwe ndị nchụàjà náejéozi mgbe niile gosipụtara ụfọdụ nime ihe eji mara Kraist. Ma ọ bụghị ihe apụrụ ime ná otù mmadụ maọbụ otù àjà gaegosi akụkụ niile nke iheeji mara Kraist maọbụ ọlụ nke ịrịọchita arịrịọ Ya. Ụdị ya kachasị ukwuu nke apụrụ igosipụta site n'otù onye ka egosipụtara n'onyeisi nchụàjà. Ya, onweya, n'uwe na ihe ịchọmma ya niile, bụ iheàtụ̀ dị n'ụwa nke Onyeisi nchụàjà ukwuu a onye egbokwasiworo ebube dị ukwuu nke eziomume ebighịebi Ya ugbu a – nke ọ náadịghị mmadụ ọ bụla pụrụ iché échìchè banyere imamma ya, ka ọ fọdụzie igosipụta ya n'ozuzuòkè n'uwe dị icheiche maọbụ na nkume dị ókéọnụ nke ụwa nke a abụrụọnụ.

Na Levitikọs 8:7-9, agwara anyị usoro eji ejikwasị uwe niile ahụ. Mgbe eyisịrị uweime niile, Moses naeyikwasị Erọn uweime nke ezi ákwà ọcha ahụ akparaakpà were kwa iheokíké nke ezi ákwà ọcha atụ̀rụ̀ agwa nke náacha anụnụ, purple, na uhie kesie ya ike. Moses na atụkwasị uwemwụda nke ephod n'elu uwe ahụ, bụ anụnụ nke etinyere pomegranate anụnụ, purple na uhie n'ọnụọnụala ya, nke etinyekwara ọtụtụ atañ nke ọlaedo. Ụfọdụ mmadụ naeche na enwere atañ iri asaa na abụọ (72) na pomegranate n'ọnụọnụala otù uwe nke a.

N'elu uwenwụda ephod ka eyikwasịrị ephod n'onweya. Ọ bụ uwe dị mkpụmkpụ bụrụ kwa otù nime uwe dị mkpà karịsịa n'igbe uwe nke onyeisi nchụàjà. Eji ọlaedo na ogho purple, ogho uhie, na ogho anụnụ, eziákwà ọcha chọọ ya mma dị ukwuu n'ịchọ mma nke Chineke nyere Moses n'Ugwu Sainai. Nkume abụọ dịókéọnụahịa ka atụkwasịrị n'elu ephod ahụ ịbụ ihe ibu n'ubu. Edekwasịrị aha ebo irinaabụọ nke Israel n'elu nkume ndịa dị ókéọnụ ahịa. Ephod ahụ nwere ihe okíké achọrọ mma nke ya eji ejigide ya n'ọnọdụ ya.

Ana eji ụdọigwe ọlaedo nke gafere nime nhịọgide nke ọlaedo ekegidere iheigbochi obi nke ikpé n'ephod ahụ. Ọ dị ihe dị ka inch irinaasatọ n'ogologo (18), na inch iteghete (9) n'obosara, ejikọtakwara ya n'akụkụ anọ ra nrata zuruókè. N'elu ya ka atụkwasịrị nkume irinaabụọ nke edekwasịrị aha ebo niile nke Israel n'elu ha. N'otù akụkụ n'elu ihe igbochiobi a ka atụkwsịrị Urim na Tummim, otù ihe – ma ọbụ karịa -- bụ́ nke ekwuru ihe dị ntà banyere ya n'Akwụkwọnsọ.

Eji kwa ákwà nkụkụisi maọbụ ihe ikpuchiisi eji eziákwa ọcha mee nke eji kwa ogho anụnụ kegide n'isi onyeisinchụàjà bụ́ nke eji ọlaedo gbue okwu ndịa n'elu ya. "IHE NSỌ JEHOVA NWERE."

**Kraist, Onyeisinchụàjà Anyị**

Anyị ekwuwo dịka nchepụta anyị si dị banyere mmetụta nke onye ọ bụla n'etiti ndị òtù nke nzukọ ahụ ndị hụworo ebube nke uwenwụda niile na uwe niile ọzọ nke ndịnchụàjà. Ụdị ebube nke ụfọdụ nime ha emezuworị, anyị nwekwara ike ịhụ́ nkọwa pụtara ìhè ugbu a karịa nke ndị Israel nwereike ịhụ́ n'oge ha. Ma ọ ka nwere ebube dị ukwuu karịa nke gaje ikpughe nye anyị, bụ ebube nke anyị gaahụ́ n'ozùzùòkè náání mgbe anyị gaahụ́ Ya bụ́ onye bụ Onyeisi Nchụàjà anyị ugbu a nime eluigwe. Ugbu a, Ọ naeyikwasị uwemwụda na uwe niile ọzọ nke ịbụ onye nchụàjà bụ nke O nwetara mgbe Ọ hụrụ ahụhụ ịbụ Onye náarịọrọ anyị arịrịọ. (Gụọ Aisaia 63:1; Ndị Hibru 2:17; 3:1, 2; 4:14, 15; 7:24-28; 8:1, 2; 9:11-14; 10:19-21).

**Ụfọdụ Iheatụ̀ dị ka Ha Siworo Mezue ná Mpaghara**

**Uwe Ọcha** ahụ niile nwere ngosipụta dị ebube. Akụziri anyị na ha bụ̀ onyinye nke ụfọdụ nime ịdịmma niile nke Nwunye Ọhụụ nke Kraist (Ilu 31:12). Ndị nchụàjà na ndị nke Chineke niile amaara aha ha n'ọgbọ niile yiri ákwà ọcha n'ijéozi na òfùfè ha niile (I Samuel 2:18; 22:18; 2 Samuel 6:14; Ezikiel 44:17, 18). Ndị nke Chineke arọpụtara ka anaeyikwasị ya náeji kwa ọla dị okéọnụahịa chọọ ha mma (Ezikiel 16:10-14; Nkpughe 19:14). N'Eluigwe ọ bụ eziomume niile nke ndịnsọ (Nkpughe 19:8).

**Ihe ibu n'Ubu** na **Ihe Igbochiobi nke Ikpé** naenwe aha ebo irinaabụọ nke Israel nke edekwasịrị na ha. Ọ dịghị mgbe ọ bụla anaewezuga ha iche site n'ebe ephod ahụ dị, ha naabụ ihe ncheta, iheịrịbaàmà, nke ndị Israel gaeji mara na anaecheta ha mgbe onyeisinchụàjà gara n'iru Chineke. N'ụzọ dị otú a onye ahụ nke naarịọrọ ha arịrịọ naebu ha n'ubu na n'obi ya.

**Ìhè ahụ na Izuòkè** ahụ bụ́ nke anyị matara ihe dị ntà banyere ụdị ya na ihe dị nime ya, dị ebube nke ukwuu. Moses naatụkwasị ha n'elu ihemgbochiobi nke ikpé ahụ, ọ bụ kwa site na ha ka onyeisinchụàjà na Chineke naakparịtaụkà. Ihe ha gosipụtara ka anaahụ́ ngwangwa ịbụ ihentụle nke imemmụọ na odudu nke anaenye ndị ahụ natara ike nke náebi nime na otite mmanụ nke Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ukwuu ahụ bụ ndị jisiri ike náakpá nso Chineke isoro Ya jééijè. Àkụ̀ ahụ dị nsọ nke Chineke naenye anyị ka enwereike ịkpasu iwe ngwangwa O wee funarị anyị -- **Urim na Tummim ahụ** so n'ihe ise ụfọdụ ụmụakwụkwọ nke Baịbụl kpọrọ aha na ha dị n'Ụlọikwuu Chineke nke Solomon wuru na n'Ụlọikwuu ahụ, nke anahụ́ghịkwa n'Ụlọukwuu Chineke nke abụọ.

Anyị naachọpụta na ọtụtụ natara ozi site n'ebe Chineke nọ n'oge ochie site Ìhè ahụ na Izuòkè ahụ (Ndị-ikpe 20:18, 28; I Samuel 10:22, 23; 23:9-12; 30:7, 8). Ha bụ àkụ̀ nke imemmụọ anaachọsiike nye ha, ha kwesịkwara ịbụ otù ihe ahụ nye anyị (Ezra 2:63; Deuteronomi 33:8; I Samuel 28:6). Lee otú anyị kwesịrị ikele ekele na ngabiga nke Agba Ochie anapụghị anyị àkụ̀ a, akwadobere nye ndị ahụ gaewere eziokwu chọọ ihe kasị mma nke Chineke gaenye ha (I Ndị Kọrint 2:14; Jọn 8:12; 16:13-15; I Jọn 3:24; 4:1; I Ndị Tesalọnaika 5:21).

Uwemwụda Ephod ahụ nwere ọtụtụ atañ nke ọlaedo na ọtụtụ pomegranate edoro n'usoro n'ọnụọnụ ya. Mgbe onyeisicnhụàjà gara n'iru Onyenweanyị n'ijéozi ya niile, atañ niile ahụ ganaakụ ndị ahụ nọ n'ezi náechere n'ekpere gaamara na Onyeisi nchụàjà nke naarịọrọ ha arịrịọ náanọchi anya ha n'iru Onyenweanyị. Ụda nke atañ ahụ gaeme kwaá ka ndị ahụ mara na Onyeisinchụàjà ahụ dị ndụ. Anụghị mkpọtụ ọ bụla gaagwa ha na ọ nwụwo na mberede mgbe ahụ onye gaanọchi ya gaewere ọlụ niile nke dị n'ọfis ahụ.

Site n'ekpere na mmekọrịta anyị na Chineke, anyị nwekwara ike ịma na Onyeisinchụàjà ukwu anyị naarịọrọ anyị arịrịọ. Anyị nwekwara ike ịnú ụda "atañ nile" nọ n'uwe Ya mgbe anyị naabịaru Eluigwe nso.

**Ákwà nkụkụisi ahụ** n'isi nke onyeisinchụàjà bụ otù nime iheoyiyi pụrụ iche nke nwoke nke Chineke ahụ naeyi. **Ihe dị mbara nke ọlaedo** ka ekegidere n'ákwaà nkụkụisi ahụ nke edere okwu ndịa n'elu ya, "IHE NSỌ JEHOVA NWERE." Ebe a ka enwere ihe ncheta nye ya, nye kwa ndị niile hụrụ ya, banyere ịdị nsọ na mkpà nke ọkwá ya dị.

Onyeisinchụàjà gaeje ozi n'ihe nsọ niile. Ọ bụ onye nnọchitaanya nke Chineke dị **nsọ.** Ọ ganaachụ àjà ewee mee mkpuchi iwezuga mmehie, ka ewee mee ka ndị wetara ihe àjà ndị bịara n'okwukwe na n'eziokwu dị nsọ. Ọ bụ kwa ọlụ Ya izi ụmụmmadụ ụzọ nke eziomume na ezi **ị dị nsọ.** Dịka onye ogbugbo, ya onweya gaadị kwa nsọ, ka o wee nwetara ha iruọma ka ewee mee ka ha dị **nsọ** jikere kwa ibinyere ndị **nsọ** bi n'alaeze nke otuto. N'ikpeazụ, ọ bụ ụdị nke **Onyensọ na Onye eziomume** ahụ, onye gaabịa n'oge nke Chineke, iwepụ mmehie mee kwa ka anyị dị**nsọ** site n'iji Onweya chụọàjà.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ònye wetara ihe eji mee uwemwụda na uwe niile nke ndịnchụàjà?
2. Kpọọ aha uwe niile onyeisinchụàjà náejéozi mgbe niile
3. naeyi.
4. Kpọọ aha uwe niile onyeisinchụàjà naeyị?
5. Gịnị ka ihe ibu n'ubu nke nkume ahụ nọchiri anya ya?
6. Gịnị ka edekwasịrị na nkume niile ahụ nke náadị n'elu obi onyeisi nchụàjà, gịnị kwa ka nkume niile ahụ dị n'ebe ahụ naegosipụta?
7. Kwue ihe uwe ọcha niile ahụ nọchiri anya ya.
8. Òlee otú esi gosi idinsọ Chineke n'uwe niile nke onyeisi nchụàjà?
9. Gịnị mere Chineke ji lezieanya nkeọma n'ihe banyere uwe ndịa niile?
10. Gịnị ka atañ niile ahụ dị n'ọnụọnụ uwe anụnụ nke onyeisinchụàjà naegosi?
11. Kpọpụta ebe ụfọdụ n'Akwụkwọnsọ nke náagwa anyị onye Onyeisinchụàjà anyị bụ̀.